# IJÉOZI NKE NDỊ LIVAI
## Ọnu-ọgugu 3:5-17, 21-51; 4:1-33
### IHE Ọ̀MỤ̀MỤ̀ 90 - Nke NdỊ-okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Ime ihe di Gi utọ atọwom utọ, Chineke; iwu-Gi di kwa nime obim" (Abù Ọma 40:8).**

**I Ndị Livai: Onyinye Israel Nyere Jehova**

1. Ndị Livai bụ ndị ewepụtara iche, site n'iwu nke Chineke, maka ijéozi pụrụ iche, Ọnu-ọgugu 3:5-10; 8:5-22; Deuteronomi 10:8, 9; 33:8-11
2. Iwu a gosịrị ohere nke ndị Israel tụfuru, n'ihi na ọ dịịrị ha niile iketa òkè n'ijéozi nke Chineke na imezu ọchịchọ nke Chineke nke bụ ka mba ahụ niile bụrụ ndị nyere Ya onweha, Ọnu-ọgugu 3:11-13; Ọpupu 13:1, 2, 11-13; 19:5, 6; 1 Pita 2:5; Nkpughe 1:6; 20:6
3. Chineke gwara Moses ka ọ gụkọta – ma ọ bụ kewapụta ndịkom niile, ụmụ ntakịrị na ndị okenye nke ndị Livai site n'onye ruru otù ọnwa wee gaba n'iru, Ọnu-ọgugu 3:14-17, 39; 4:46-49
4. Ụmụ ndịkom niile eburu ụzọ mụ n'Israel, ebe ha tụfuru ohere ha nke ijéozi òfùfè nke Onyenweanyị bụ ndị ejiri ndị Livai dochie ọnọdụ ha, otù onye Livai n'ọnọdụ otù nwa nwoke eburu ụzọ mụ nke Isreal, na anụụlọ ndị Livai n'ọnọdụ anụụlọ niile eburu ụzọ mụ n'etiti anụụlọ ụmụ Israel, Ọnu-ọgugu 3:40-45; 18:15, 16; Ọpupu 34:20
5. Mmadụ narị abụọ iri asaa na atọ (273) nke fọdụrụ nime ụmụ eburu ụzọ mụ nke Israel ka agbapụtara n'ọnụahịa shekel ise n'otù n'otù, Ọnu-ọgugu 3:46-51

**II Usoro Ọlụ Niile nke Ndị Livai**

1. Ndị Livai niile ga-anọ n'okpuru nlekọta nke Moses na Eron, Ọnu-ọgugu 3:38
2. Ndị Giashon, ndị sitere n'agbụrụ nwa nwoke mbụ nke Livai, bụ́ Giashon: nwere ndịkom puku asaa na narị ise (7,500) site n'onye ruru otù ọnwa ma ọ bụ karịa puku abụọ narị isii na iri atọ bụ́ ọnụọgụgụ ndị nwere ike ijere Onyenweanyị ozi, Ọnu-ọgugu 3:21, 22; 4:38-41

   Ndị mara ụlọikwuu ha n'akụkụ ọdịda anyanwụ nke Ụlọikwuu, Ọnu-ọgugu 3:23, 24

   Onye nlekọta ha bụ Itama, nwa ikpeazụ nke Eron, bụ́ onye nchụàjà, Ọnu-ọgugu 4:28

   Emere ha ndị nlekọta nke ákwà mkwụba niile nke Ụlọikwuu, ihe mkpuchi ya, ákwà mkwuchi n'ọnụụzọ ụlọikwuu nzute, ákwà ngechi na ụdọ niile nke ogige ahụ, na ákwà mkwụchị dị n'ọnụụzọ nke ọnụụzọ ama nke Ogige ahụ, Ọnu-ọgugu 3:25, 26; 4:21-28
3. Ndị Kohat, ndị sitere n'agbụrụ nwa nwoke nke abụọ nke Livai, bụ́ Kohat: Nwere ndịkom puku asatọ na narị isii (8,600), site n'onye ruru otù ọnwa ma ọ bụ karị puku abụọ narị asaa na iri ise (2,750) bụ ọnụogụgụ ndị nwere ike ijéré Onyenweanyị ozi, Ọnu-ọgugu 3:27, 28; 4:34-37

   Mara ụlọikwuu ha n'akụkụ ndịda nke ụlọikwuu, Ọnu-ọgugu 3:29, 30

   Onye lekọtara ha bụ Eleeza Onye bụ́ okenye nime ụmụ Eron ndị nọ ndụ n'oge ahụ onye bụ kwa onye nchụàjà, Ọnu-ọgugu 3:32; 4:16

   Emere ha ndị nlekọta nke Igbe ahụ, table a na-edebe achịcha a na-eche n'iru Chineke, ihe ịdọba oriọna, ebe ịchụàjà, ákwà mkwụchị ahụ, na ihe ndebe niile nke ebe nsọ ahụ, Ọnu-ọgugu 3:31

   Sooro otù ùkpụ̀rụ̀ ahụ nke Chineke tọrọ n'Onweya, Ọnu-ọgugu 4:1-4

   Natara ntụziaka banyere otú a ga-esi mee ihe ahụ n'otù n'otù, Ọnu-ọgugu 4:5-15, 32

   Echebere ha site n'ịnwụ ọnwụ mberede, n'ihi ndahie ọ bụla nke ndị nchụàjà, site na nleruanya pụrụ iche enyere Moses na Eron, Ọnu-ọgugu 4:17-20
4. Ndị Merari, ndị sitere n'agburụ nwa nwoke n'ikpéazụ nke Livai, Merari: Nwere ndikom puku isii na narị abụọ (6,200) site n'onye ruru otù ọnwa ma ọ bụ gba puku arọ na narị abụa (3,200) bụ ndị nwere ike ijere Onyenweanyị ozi, Ọnu-ọgugu 3:33, 34; 4:42-45

   Ha mara ụlọikwuu ha n'akụkụ ugwu nke Ụlọikwuu ahụ, Ọnu-ọgugu 3:35

   Onye lekọtara ha bụ Itama nwa nwoke ikpéazụ nke Eron, Ọnu-ọgugu 4:33

   Emere ha ndị nlekọta nke ibo niile mkpọrọ ya niile, ide ya niile, ụkwụ ya niile na ụdọ niile nke Ụlọikwuu na ogige ahụ na ọtụtụ ihe ndịọzọ dị iche iche, Ọnu-ọgugu 3:36, 37; 4:29-33

## NKỌWA DỊ ICHE ICHE

**Otù Igwe-atụrụ Ntà**

Mgbe Moses nọ n'Ugwu Sainai, ná-anata Chineke Iwu ahụ. Eron na Hua bụ ndị arapụrụ ka ha bụrụ ndị ná-elekọta Ụmụ Israel, ndị echéré na ọnụọgụgụ ha ruru ihe ra ka 3,000,000 (nde atọ) ndịkom, na ndịnyom, ma ụmụ

ntakịrị. Nime otù ihe ọmụmụ anyị gara aga anyị hụrụ na ụfọdụ nime ndị ndú ahụ na ndị ha na-elekọta emejọworị Chineke nke ukwuu, na ha emewokwa nwa ehi awụrụ awụ ka ha na-akpọ isiala nye ya n'ọnọdụ Chineke nke Abraham. Ha mekwara ka mmehie ha jọkarịa njọ site n'ikwu na chi niile nke ọlàedo ahụ bụ ihe mere ka ha si n'ala Ijipt pụta.

Chineke gwara Moses ihe ná-eme n'ọmụma ụlọikwuu wee zipụ ya ka o jee hụ́ ihe ọ ga-eme banyere ya. Anyị hụrụ otú Moses si nọọ n'etiti Chineke na mba nnupu isi ahụ, na-ejisi nnọọ ike mgbe ọ bụla ịhụ́ na aha Chineke bụ ihe a na-asọpụrụ n'ihe niile -- nke kachasị kwa ihe niile -- otú o si kwa jisie ike wee rịọchitara ha arịrịọ.

N'oge ahụ egosịrị Ụmụ Israel ndahie ha, Moses jụrụ ajụjụ nke chéré ha aká-mgbá, "Ònye diri JEHOVA?" Agbụrụ nke kachasị ntà ná mba ahụ niile, ndị Livai, bụ́ ndị zara òkù ahụ site n'ikewapụta onweha iche n'ebe ndị ahụ nọ. Ọ ga-abụworị ihe ịda mba n'obi nye onye nke Chineke ahụ bụ́ Moses ịhụ́ na ọ bụ náání mmadụ ole na ole ndịa bụ ndị wepụtara onweha, ma eleghịanya ọ ga-abụ na Chineke ahụ nke ọ hụrụ n'anya ebuworị ụzọ jikere ya maka ihe ọ bụla nke ga-adapụta. Ọ dịbeghị oge ọ bụla ọ bụ ọtụtụ ọnụọgụgụ mmadụ ma ọ bụ igwè ndị agha dị ọtụtụ bụ ndị meworo ihe Chineke chọrọ ka emee n'elu ụwa nke a n'oge ọ bụla nime akụkọ ụwa. Jisọs chetaara ndị ná-eso ụzọ Ya mgbe Ọ nọ n'ụwa na ọ bụ náání otù "igwe aturu ntà" ga-adị, ndị a ga-edoziri ọnọdụ n'Eluigwe.

**Otù Ohere Atụfuru**

Atàrà mba ahụ ahụhụ dị ukwuu n'ụbọchị ahụ, n'ihi na tupu anyasị abịa, mmadụ ọnụọgụgụ ha ra ka 3,000 (puku atọ) ndị hụrụ anyanwụ n'ụtụtụ nke ụbọchị ahụ dara n'ọnwụ. Ná-enweghị obi abụọ óké iruuju ga-adịworị n'ọmụma ụlọikwuu ha n'ụbọchị niile ná-eso n'ihi ọnwụ nke ndị ha ha hụrụ n'anya; ma dịka okwu niile nke onye-ndú ha nke kwesịrị ntụkwasịobi na-enwuba nime obi ha emere ka Ụmụ Israel kwenye na ịlan'iyi nke dị n'iru ha karịrị nke ha hụrụ. Ugbu a ọ dị mkpà ka ha na Chineke ahụ nke ha kpasuru iwe mee udo, ọ bụ kwa n'ihi nke a ka Moses jekuuru Chineke ka o wee rịọ arịrịọ banyere ihe ahụ nke kpatara ịlàn'iyi ha. Ọtụtụ ụbọchị agabigawo, emesiwo kwa udo ahụ site n'ebere ma ugbu a ọnụnọ ha n'Ugwu Sainai na-abịaru ná njedebe.

Ụfọdụ akụkụ Iwu ahụ anatara ọhụụ bụ ihe a ga-ekpughere ha ma náání ma emere nke a ha apụghị ịmatazu nkeọma ihe niile nke nnupụisi ha wetaworo ha. Ndị Livai apụghị ịmata kwa, n'oge ahụ, ihe niile nke nguzosi ike ha ga-alụpụtara ha. Ma n'oge ná-adịghị anya emere ka amata ihe ahụ, n'ihi na Onyenweanyị gwara Moses okwu wee sị ya ka o mee ka ndị sitere n'agbụrụ ndị Livai bịa nso ka o chee kwa ha n'iru Eron bụ́ onye nchụàjà. Akụkọ nke iwepụta ndị Livai iche na ime ka ha dị ọcha maka ijéozi ha (Ọnu-ọgugu 8:5-22) na-agwa anyị na ime ka abịarue nso a bụ iché ha n'iru Onyenweanyị dịka onyinye, nke mba Israel niile nyere. Enyere Chineke ndị Livai dịka "àjà di ndu" (Ndi Rom 12:1).

Àtụ̀màtụ̀ nke Chineke, ná mmalite, bụ ka ndị Israel niile bụrụ ndịozi n'ijéozi nke Chineke, ijéozi nke onye ahụ n'onweya ga-eje nke ọ bụ site n'èzínaụlọ ọ bụla ka a ga-esi nweta mmadụ n'ijéozi ahụ. Ọ bụghị ka ejee ozi ọ bụla site n'ịnọchita anya ma ọ bụ site n'onye ọzọ, kama mba ahụ niile kwesịrị ịbụ alaeze ndị nchụàjà (Ọpupu 19:5, 6). N'oge nke ndị nna ochie ndị ná-eje ozi a bụ ndị bụ ndị-isi nke èzinaụlọ dị iche iche, ma ọ bụ ndị ná-anọchi anya ha. Ma mgbe Chineke mere ka ụmụ Israel si n'Ijipt pụta mee kwa ka ụmụ ha eburu ụzọ mụ dị ndụ, O nyere iwu ka ụmụ ndịa eburu ụzọ mụ anapụtara bụrụ ndị ewepụtara ichè ijéozi Ya (Ọpupu:13:1, 2; 22:29).

Lee ụdị àtụ̀màtụ̀ dị ebube dị otú a! Lee otú ọ ga-adịworị ebube otú ọ ga-adịkwa n'ụbọchị taa -- ma ọ bụrụ na èzinaụlọ ọ bụla tụrụ egwù Chineke ma bụrụ kwa ndị jikeere inye Chineke ụmụ ha eburu ụzọ mụ! Lee otú Oziọma ga-esiworị gbasaa ọsọsọ n'ụwa niile -- otú ọ ga-esi kwa gbasa n'oge nke anyị -- ma ọ bụrụ na ndị èzinaụlọ niile nke ndị Kraist ga-enye otù onye n'otù n'otù site n'èzinaụlọ ha maka ijéozi nke Chineke. Lee otú ụgwọọlụ nke ndị nke Kraist niile ga-adị mgbe Onyeikpé nke mmadụ niile ga-akpọ anyị ịbịa n'iru Ya! Lee kwa otú ọ ga-abụ iheọma ma jupụta kwa n'óké ọñụ na obi ụtọ nye onye ọ bụla n'elu ụwa nke a, n'ịmata na ha niile nwere ezi ohere n'ijéozi nke Chineke! Ma, ọ bụ ihe nwuta na ọ bụ náání "ndi Livai" -- "igwè-aturu ntà" ahụ -- ndị Chineke ga-eji jee ozi Ya n'elu ụwa nke a. Ka Chineke nye anyị ọtụtụ "ndi Livai" mee kwa ka ọnụọgụgụ "igwè aturu ntà" ahụ nke kwesịrị ntụkwasịobi bawanye ụba!

Ekwuwo ya na ọ dịghị ndị agha ọ bụla nime ndị agha nke Chineke nke emere ka ha bata ná mmánye. Eziokwu ahụ pụtara ìhè nime ihe a nke mere n'ebe a mgbe arọpụtara ndị Livai kama ịrọpụta ụmụ eburu ụzọ mụ nke Israel. Ndị Livai nyere onweha n'afọ òfùfò, wee gosipụta nguzo ha guzooro Chineke n'iru ọtụtụ narị puku ụmụ Israel. N'ihi na ha jikeere ime otú ahụ, Chineke nyere ha ọnọdụ ka mma nime ijéozi Ya (Matiu 10:32). Ndị ga-abụworị ndị kwesịrị ịnọ n'ọnọdụ ahụ dịka àtụ̀màtụ̀ enwere na mbụ si dị abụghị ndị ejiri lụọ ọlụ n'ihi na ha azaghị òkù ahụ mgbe akpọrọ ha ịgafeta n'akụkụ Onyenweanyị. Ọ dị ọtụtụ mmadụ n'ụbọchị taa ndị nụworo ọkpụkpọ òkù maka ịlụrụ Chineke ọlụ pụrụ ichè ma ha adịghị alụ ọlụ ahụ n'ihi na, ha onweha kwa, apụtabeghị ichè wee bụrụ ndị "diri JEHOVA." Ha ga-amata n'ezie na ọ dị onye so n'òtù nke "igwè aturu ntà" ahụ nke nọ n'otù ebe bụ́ onye ga-anata kwa ụgwọọlụ ahụ kama ha onweha, n'ihi na ọ zara òkù ahụ ma bụrụ kwa onye ná-alụ ọlụ nke Onyenweya na Nna ya Ukwu n'ikwesị ntụkwasịobi.

**Usoro Ọlụ Nchị kọta nke Chineke**

Ọ dịghị ebe ọzọ nime Baịbụl nke anyị ga-ahụ̀ àtụ̀màtụ̀ akpachapụrụ anya na usoro ọlụ nke Chineke n'ebe ndị Ya nọ, na kwa n'ụwa niile gba gburugburu, dịka esi gosi ya nime Iwu nke ndị Livai. Ọ dighị ihe ọ bụla nke arapụrụ ma ọ bụ nke a ga-asi na emezighị ya nkeọma. Akpọrọ aha ihe ọ bụla ma gosi kwa ebe ọnọdụ ya dị nime ijéozi ahụ, ná-agụghị ịdị ntà ya ma ọ bụ eleghịanya dịka a ga-asị na ọ dịghị mkpà.

Chineke abụghị Onye ná-akpali, Ọ dịghị enwe kwa obiụtọ n'ọgba aghara, adịghị n'usoro, ma ọ bụ adịghị n'otù, n'akụkụ ọ bụla nke ọlụ Ya n'etiti mmadụ ma ọ bụ kwa nye mmadụ. Mmụọ Nsọ, n'ọlụ Ya niile n'obi nke onye kwere ekwe, ma ọ bụ nime ọlụ Ya ná ntụziaka nke òfùfè na ijéozi nke Onyenweanyị ná-alụ ọlụ náánị mgbe Ọ hụrụ ịdịn'otù na njikọta ọnụ nke mgbalị. O nweghị ụzọ ọzọ. Ihe ọ bụla nke emere site ná nkewa ma ọ bụ n'ịkpà iche iche, adịghị n'usoro, ma ọ bụ site n'elezighị anya bụ ihe anyị ga-amata nkeọma na ọ bụghị site n'odudu nke Mmụọ Nsọ kama ọ bụ mmụọ nke ụgha.

Arọpụtara agbụrụ èzinaụlọ nke Kohat ka ha bụrụ ndị ná-ebu ihe nke ebe kachasị nsọ nke ihe ndozi niile nke ụlọikwuu, Igbe Ọgbụgbandụ ahụ, tebụl ahụ a na-adọba achịcha, ihe ịdọba oriọna, ebe ịchụàjà abụọ, na ihe nke ebe nsọ ahụ nke ha ji ejéozi. Ihe ndịa ka onyeisi nchụàjà na ndị nchụàjà ná-esote ya na-ekpuchiri ha tupu ha abànye nime Ụlọikwuu, ka onye ọ bụla ghara ịnwụ n'ihi ịhụ̀ ihe nsọ nke ha ná-ekwesịghị ịhụ̀ anya.

Ndị Giashon bụ ndị sitere n'agbụrụ nke nwa nwoke mbụ nke Livai, ma enyeghị ha ọnọdụ kachasị elu n'ijéozi nke Chineke. Àtụ̀màtụ̀ nke Chineke adịghị eso dịka omen'ala nke mmadụ si dị, ma ọtụtụ mgbe Ọ na-eme ka ndị ahụ dị ichè ka O wee lụpụta uche Ya nime mmadụ ma nye kwa mmadụ. Moses na Eron sitere n'agbụrụ nke èzinaụlọ n'ụlọ nke Kohat, eleghịanya ọ ga-abụ na ndị Kohat bụ ndị enyere ohere ahụ n'etiti ndị Livai n'ihi ikwesị ntụkwasịobi nke ndịkom abụọ ndịa nke Chineke, nke ka nke mgbe anyị chetara ikwesị ntụkwasịobi ha n'ụbọchị niile ahụ mgbe Chineke mesoro mba Ijipt site n'ikpé nke ihe otiti.

Chineke weere ihe niile banyere nlekọta nke Ụlọikwuu n'Onweya na ihe ngechi ya niile na ákwà mkwuchi nke ọnụụzọ ogige ahụ na ogige ahụ nye ndị Giashon. Nime ihe ndịa, ọ dị nnọọ ọtụtụ ihe nke a ga-ebugharị site n'otù ebe ruo n'ebe ọzọ na site n'ebe a ga-ewu ọmụma ụlọikwuu, nke ha ji ụgbọ-ala wagọn abụọ ekpuchiri ekpuchi nke ehi anọ na-adọkpụ wee na-ebu. Ụgbọala ndịa na ehi niile ahụ bụ onyinye ndị-isi nke Israel ndị nọchiri anya ụmụ eburu ụzọ mụ nke Israel ndị ejiri ndị Livai dochie n'ọnọdụ ha nyere Jehova dịka onyinye afọ òfùfò. Nke a bụ ngosipụta dị ebube pụtara ìhè nke ịhụn'anya na nsọpụrụ na ọbụná ndị ahụ eburu ụzọ mụ nke anapụkwara ọnọdụ ha nwere nime obi ha n'ebe ndị ahụ ndị ga-ekewapụta onweha maka ijéozi nke Chineke, ndị ga-eji kwa obi ụtọ nye ihe nketa ha na ohere ha wee mee ihe Chineke na-achọ! (Lee 1 Timọti 5:17).

Agbụrụ nke èzínaụlọ ahụ nke fọdụrụ, ndị Merari, nwere nnukwu ibu na ọlụ dịkarịrị ahụhụ karịa ndịọzọ nime ụzọ agbụrụ èzínaụlọ atọ ahụ. N'ihi nke a Moses nyere ha Ụgbọala anọ na ehi asatọ ekekọtara ekekọta nke ndị-isi Israel wetara. Ọlụ ha bụ ibu ibo niile nke ebe obibi ahụ, na mkpọrọ ya niile, ide ya niile, ntú niile, ụdọ niile, ya na ihe ya dị mkpà iji wee mee ka ụlọ ahụ guzo n'ụdị ala ọ bụla nke Onyenweanyị ga-arọpụta nime ọzara. Emere ka izu òkè nke àtụ̀màtụ̀ Chineke pụta kwa ìhè n'ebe a, n'ihi na ọ bụ ezie na agbụrụ èzínaụlọ nke Merari kachasị ntakịrị n'ọnụọgụgụ -- ma eleba anya n'ihe banyere ndịkom niile site n'onye ruru otù ọnwa wee gaa n'iru – ha nwere ọtụtụ mmadụ n'ọnụọgụgụ karịa ndị ọzọ bú ndị nwere ike ịlụ ọlụ, ha wee bụrụ ndị nwekarịrị ndị ọlụ n'agbụrụ ahụ.

**Mgbe Ogidi Igweoji Ahụ Buliri Ijè**

Akọwakwara ime ihe n'usoro nke ọlụ niile nke Chineke n'ebe a na ụzọ ndị Livai ga-esi ná-alụ ọlụ niile enyere ha. Agbụrụ èzínaụlọ ọ bụla nwere ọlụ nke dịrị ya. Agwara anyị na ọ bụ "n'aha" ka ha gụkọrọ ibu arọ ma ọ bụ ọlụ niile nke dịrị ha. Enyere ha niile ọnọdụ dị iche iche nke ha ga-anọ n'usoro ahịrị ahụ nke ná-aga dịka ụsụ ndị-agha na-ejé ibu agha, nke ná-eweta ịtụfu ọtụtụ ndụ ma ọ bụrụ na emeghị dịka usoro nke kwesịrị si dị. Ha niile bụ onyinyo nke izu òkè nke Chineke na otú Ọ chọrọ ka a na-alụ ọlụ Ya (Ọnu-ọgugu 4:49).

Eleghịanya oge ụfọdụ ọ na-abụ n'isi ụtụtụ, mgbe Ụmụ Israel na-apụta onye ọ bụla n'ụlọikwuu ya, ka Ogidi Igweoji ahụ na-ebili wee malite ijè site n'iche iru n'ụzọ Kenaan. Eleghịanya ọtụtụ mgbe ọ na-abụ n'oge ịchụàjà nke ụtụtụ mgbe ha niile na-elegide anya n'Ụlọikwuu ahụ ebe a na-egosi ụdị ọnwụ nke Àjà Ahụ zuru òkè nke ná-abịa ga-anwụ. Oge ọ bụla ọ bụ, n'ụtụtụ ma ọ bụ n'anyasị, n'ehihie ma ọ bụ n'abalị, ọ dịghị ihe mgbagwoju anya ọ bụla nke ná-adị n'etiti ha banyere ijéozi ha n'otù n'otù. Ha na alụ ọlụ ahụ dịka àtụ̀màtụ̀ Chineke si dị, n'ikwesi ntụkwasịobi na n'usoro.

Èzínaụlọ ọ bụla na-elekọta ụlọikwuu nke aka ha na arịa nke aka ha, ma ndị arọpụtara, ndị a ga-asị na ha nwere ohere ọma ndị sitekwara n'èzinaụlọ ndị Livai bụ ndị soro n'ịlụ ọlụ n'Ụlọikwuu. Ndị ná-ahụ̀ banyere mkpà nke ndịa bụ ndị Livai ndịọzọ ndị sokwara keta òkè n'ụgwọọlụ niile nke Chineke maka ijéozi n'ikwesị ntụkwasịobi. Ụmụ Livai niile soro n'ijéozi ahụ, ha niile nwekwara ike inweta ụgwọọlụ n'Eluigwe.

Tupu ndịkom ahụ eruo n'Ụlọikwuu, Eron na ụmụ ya ndịkom alụsiworị ọlụ nke mkpuchi na nkechi nke ihe nsọ niile. N'ime kwa ya n'usoro n'usoro, ndị Kohat niile n'otù n'otù ga-alụ ọlụ ha onye ọ bụla dịka ọlụ enyere ya si

dị. Ọ dịghị ụgbọala dịrị ndịa. Chineke enyeworị iwu na Igbe Ya, ihe ịdọba oriọna, tebụl ahụ, ebe ịchụàjà niile, na ihe nsọ niile ka ndị niile arọpụtara maka ibu ha ga-ebu n'ubu ha.

Mgbe nke a gasịrị ndị Giashon wee budata ihe mkwuchi niile na ihe mkwuba nke Ụlọikwuu ahụ na ogige ya, ha wee kpojuo Ụgbọala wagọn niile ha. Ndị soro ha bụ ndị Merari, ndị malitere akụkụ ijé ozi ha nke dị arọ site n'iji nwayọ na ịkpachapụ anya nke ukwuu wee dọbazie ihe niile ahụ nime ụgbọala wagọn niile ha. Emere ka ndị Giashon na ndị Merari nọ n'iru ndị Kohat n'ịkwụ n'ahịrị nke njèm ahụ.

Mgbe ijè nke ụbọchị ahụ gwụsịrị Ogidi Igweoji ahụ na-akwụsị wee zuo ike, mgbe ahụ Ụmụ Israel na-amata na ha nọ n'ebe Chineke rọpụtara ka ha nọdụ. Èzìnaụlọ ọ bụla n'otù n'otù ga-ama Ụlọikwuu ya n'akụkụ ebe ahụ Chineke chọrọ ka ọ dị site na mbụ, ha ga-eji ebe Ụlọikwuu ahụ dị mata ya. Ọlụ nke ndị Livai n'oge a dị kwa n'usoro dịka ọ dịrị n'oge ha na-ewepụ ọmụma ụlọikwuu ahụ wee malite ijè. Ndị Merari ga-eji ibu ha nke igwè na ihe osisi nke Ụlọikwuu ahụ na ogige ya (nke ụfọdụ mmadụ kwuru na ịdị arọ ya n'ọ̀tụtụ̀ karịrị 21,000 pounds) wee bịa tinye ha niile n'otù n'otù n'ọnọdụ ha kwesịrị ịdị. Ndị Giashon ga-eweta ihe mkwuchi niile, ákwà ụlọikwuu niile akpara akpa ma dozie nkeọma, ihe mkpuchi niile emere ka o nwee agwa mara mma, na ụdọ niile, nke ha mere ka ha dị n'ọnọdụ ha mgbe ndị Kohat bubatasịrị ihe nsọ niile. Ọ dịghị ịtụfu oge ọ bụla, ọgba aghara, ma ọ bụ agaghị n'usoro ọ bụla nke ná-adị.

Ọ na-abụ ihe ịtụn'anya na oge ná-adịghị anya mgbe Ogidi Igweoji ahụ gosichara ndị ndú, na ndị Israel, ebe ha ga-ama ụlọikwuu ha wee nọdụ, na Ụlọikwuu ahụ adịworị njikere maka ifè òfùfè. Ná-agbaghị agụgọ ọtụtụ mgbe nke a na-abụ n'oge ịchụàjà nke anyasị. Ọzọ kwa, ọgbakọ nke Ụmụ Israel na-eguzo n'ebe ọnụ ụzọ nke ụlọikwuu ha, ma ọ bụ gbakọta n'èzi nke Ụlọikwuu wee na-ekpe ekpere, ebe a na-egosi ụdị Nwa-aturụ nke Kalvarị nke ná-abịa site n'ịchụàjà ahụ n'elu ebe ịchụàjà nke ọlà.

Ọlụ nke Onyenweanyị bụ ọlụ dịkarịsịrị ebube nke mmadụ ọ bụla pụrụ inwe, mgbe òkù ahụ bịakwaara onye ọ bụla o kwesịrị ka ewere ya dịka nnukwu ohere nke ọ bụ. Ohere niile atụfuru na-eweta ịkwa ụtà na nsogbu nke oge ná-apụghị ịgwọta ọtụtụ mgbe. "Nchèghari adigh n'onyinye-amara nile na ọkpukpọ nke Chineke" (Ndi Rom 11:29).

Ana echetakwara anyị n'ezie na Chineke anyị aghaghị ime ihe Ọ na-ezube n'ihi na ọ dịghị mmadụ ọ bụla aga eji ụzọ ya tụnyere nke Ya. Ọ bụ Ya na-eme ka onye ọ bụla nọ n'ọnọdụ ọ bụla n'ijéozi Ya; Ọ bụ Ya na-arọputa ọlụ nke onye ọ bụla mee kwa ka onye ọ bụla nọ n'ọnọdụ nke Ya Onweya chọrọ nime Ụlọnzukọ. Ma ọ bụghị náání nke ahụ. Chineke na-egbò mkpà nke ndịozi Ya ugbu a, Ọ na-akwụghachị kwa ha ụgwọọlụ n'ọ dị n'iru: tụkwasị kwa nke a, Ya Onweya bụ ihe nketa ha, olileanya ha, ọñụ ha, na nkasịobi ha!

**AJỤJỤ DỊ ICHE ICHE**

1. Kpọọ aha ụzọ nkewa atọ nke agbụrụ Livai.
2. Òlee agbụrụ èzínaụlọ nke Moses na Eron sitere?
3. Gịnị mere eji were agbụrụ nke Livai kama ndị eburu ụzọ mụ nke Ụmụ Israel?
4. Òlee otú nke a si dị iche n'àtụ̀màtụ̀ mbụ nke Chineke n'ebe Ụmụ Israel nọ?
5. Were ọnụọgụgụ nke ụmụ ndịkom eburu ụzọ mụ n'Israel tụnyere nke ndị Livai site n'onye ruru otù ọnwa wee gaa n'iru.
6. Ọ̀ bụ onye nwe ilekọta ndị Livai niile?
7. Ọ̀ bụ onye nwe ilekọta akụkụ ọ bụla nke agbụrụ ahụ?
8. Gịnị bụ ọlụ niile nke akụkụ ọ bụla?
9. Gịnị bụ ihe anyị mụtara banyere usoro ma ọ bụ otú esi alụ ọlụ nke Chineke n'ụbọchị taa site n'otú esi dọọ ha aka-ná-ntị ịlụ ọlụ ha?
10. Ọ bụrụ na anyị ga-ekwe Mmụọ Nsọ ka Ọ na-edú anyị dịka anyị kwesịrị, ọ gaghị adị ihe mgbagwoju anya ma ọ bụ adịghị n'otù ọ bụla nke ga-adị n'ijéozi anyị nye Chineke. Kwuo ihe mere o ji dị otú ahụ.